Preorcjah Vol. 4(2), 2019
https://ezenwaohaetorc.org

# Ngwa ofufe ndị Igbo: Nzipụta ya n'agụmagụ ụfọdụ ndị a họọrọ

Ogochukwu Roseline Ifeka

**Ụmịedemede**

*Dịka omenala Igbo siri dị, ha nwegasịrị ngwa dị icheiche ha ji efe chi ha ma na-akpọkụ ya mgbe ọbụla na ndụ ha. N'oge a ọtụtụ ndị bụ ndị Igbo amaghị ngwa ofufe ndịa ma ha hụ ya maọbụ ihe e ji nke ọbụla n'ime ha eme n'ekpemekpe ndị Igbo. Nke a mere ka nchọcha a gbaa elu niihina ọ dị mkpa ịchọpụta ngwa ofufe ụfọdwụ dị n'omenala Igbo ma gbaa ha n'anwụ ka ọhanaeze mata nke bụ nke. Nka a kpalitere nchocha n'isiokwu a bụ '*Ngwa ofufe ndị Igbo: Nzipụta ya n'agụmagụ ụfọdụ ndị a họọrọ'*. Site na nnyocha a ka e si chọpụtasịa mgbanwe na ngwa ofufe e nwere n'oge gboo na n'oge ugbua, sitekwa n'ajụjụ ọnụ a gbara ndị okenye n'obodo e jiri mere nlere anya. N'otu aka ahụ e nwegasịrị agụmagụ dị icheiche ndị zipụtara na e meela nchocha n'isiokwu ma ọ dighị ọtụtụ. E mere nchocha n'Ọmambala dị n'Anambra Steet. A gbaara ọhanaeze n'anwụ etu ndị akụkụ ala Igbo a siri jikọta ngwa ofufe ha na ụdị ngwa ofufe ha nwere. E ji usoro nkọwasị were mee nke a, ma chọpụtasịa n'ozuzu oke ihe a tụrụ anya ngwa ofufe ndị Igbo bụgasị n'uju na ọrụ ha pụrụ iche n'ekpemekpe ndị Igbo site n'akwụkwọ agụmagụ Igbo ndị a họọrọ dịka ilere anya nkwado mkpebi nchọcha a Nchọcha a ga-abara ụmụakwụkwọ, ndịnkuzi Igbo na ndị na-achọ ime nchọcha n'isiokwu a maọbụ nke yitere ya . A na-atụ alo ka e nwee nchọcha ga-adịkwa n'isiokwu a ma bụrụ n'agbụrụ ọzọ dị n'ala Igbo, nke a ga-enye aka ichekwa odinaala ndi Igbo ka o wee di were ruo ndi kwesiri inweta ya aka ndụdụgandụ ...*

***Abstract***

*According to Igbo tradiction, there are objects which they use to commune with God through their deities. But these days a lot of Igbo people do not know about those objects of worship or even the essence of their usages. This situation prompted the research topic '*Ngwa ofufe ndị Igbo: Nzipụta ya n'agụmagụ ụfọdụ ndị a họọrọ'*.The need to explore and create awareness is obvious this time , for all and sundry to benefit in the knowledge of which is which as regards those objects of worship and their uses in Igbo worship . This study exposed the changes in the use of those items of worship in today's Igbo setting and the influence of Christian religion on the traditional worship cum its objects of worship. The study was carried out in some towns in the Omambara area of Anambra state. The method adopted for this work is purely descriptive method. Oral interviews were conducted, small group discussions and telephone interviews. Many works on Igbo culture and some academic projects were also consulted to make an authentic assertion on the result of the findings. We also analyzed those Igbo literatures which portrays the Igbo mode of worship and the proper use of those objects of worship as depicted by the Igbo literary writers. This study will be of immense value to the Igbo community in the home and in abroad as a good record also to be kept for posterity. The youths and the students and their teachers of Igbo culture will find this work useful .We recommend that researches of this nature should be done to keep our people abreast of our culture and heritage.*

**Mmalite**

Nihi ọtụtụ ekpemekpe dịnụ, nke mere ka ndị ntorobịa bụ ndị Igbo nọ n'ụlọ ma ndị nọ n'ala Bekee ghara inwe nke mazị etu ndị nna anyị ha si efe ofufe ma karịsịa ngwa ha ji efe chi. Nchọcha a ga-enye aka ka e nwee nkọwa banyere ngwa ofufe ka ndị ntorobịa na

ụmụaka mara aka nri ha na aka ekpe ha n’ebe ekpemekpe ndị Igbo na ngwa e ji eme ya dị.

Mgbe nchọcha a na-aga n’ihu aghaghị ịchọpụta ihe niile gbasara ngwa ofufe ndị a họọrọ iji mee nchọcha a n’uju dịka: Ọnọdụ ngwa ofufe na akparamaagwa ha n’oge gboo na n’oge a, Ịchọpụta ihe mgbanwe batara n’ofufe omenaala ala Igbo karịsịa ka ọ dị n’obodo ụfọdụ dị n’Ọmambara n’oge a, Nzipụta ngwa ofufe ndị e ji efe ofufe n’oge a, e jighị efe ofufe n’oge gbo, Nzipụta ihe butere mgbanwe na ngwa ofufe ndị Igbo dịka ọ dị n’obodo ụfọdụ dị n’Ọmambara.

A họọrọ ma nwoke ma nwaanyị, ndị nọ n’agbata afọ iri anọ wee ruo n’afọ iri asatọ na ụma, wee gbaa ha ajụjụ ọnụ. Ndị bụ akamkpa e jiri mee chọcha a bụ ndị nọkarịrị n’Agụleri, ebe ụfọdụ ndị Anakụ, Igboezuru, Ụmụleri na Nando. E deerelarị ihe banyere ngwa ofufe ndị Igbo dịka ihe mgbakwasịụkwụ. Ndị zara ajụjụ ọnụ nyere ụsa ha niile dịka ha siri hụta ngwa ofufe n’obodo ha n’otu n’otu.

E kwuru na ọ bụ n’ala Igbo, mana ọbụghị n’ala Igbo niile kama ọ bụrị n’obodo ụfọdụ dị n’Ọmambara. A kpọrọ nzukọ wee jụọ mmadụ olenaole ajụjụ ebe ọtụtụ n’ime ha bi n’Agụleri abụghị ndị Agụleri kpọmkwem sonyere n’ajụjụ ọnụ a gbara. Ụfọdụ sitere Anakụ, Igboezunu, Ụmụleri na Nando ma ha niile zara ajụjụ dịka o siri dị n’obodo ha n’otu n’otu.

## Ngwa ofufe ụfọdụ n’ala Igbo

A maghị mgbe ekpemekpe ndị Igbo jiri malite kama a tụrụ anya na ọ malitere ka ndị Igbo malitere ibi ndụ ha n’elu ụwa a. Ha kwenyesiri ike na Chukwu maọbụ Chineke dịka ha si akpọ ya. Mana ntọala okwukwe ha bụ na Chukwu dị ukwu nke na tupu mmadụ eruo ya ahụ na ọ ga-ezi ụmụ arụsị ndị bụ ndị ha na-ahụ anya, ebe ha anaghị ahụ Chukwu.

## Gịnị bụ ngwa ofufe?

Ngwa ofufe bụ ụmụ ngwongwo ihe ndị Igbo ji efe chi ha maọbụ mmụọ n'omenala ha. Ha na-eji ya akpọku chi ha. Akọrọngwa mmadụ ji akpọku chi ya rịọ ya arịrịọ, kelee ya ekele maọbụ were medaa ya obi bụ ngwa ofufe. Ndị nwere ezi nchekwube na onye ji ngwa ofufe ekpe ekpere oge niile, na chi ya na-enyere ya aka.

Ọkafọ (2018) site n'ajụjụ onu a gbara ya mere ka a mata na ngwa ofufe bụ ikenga:

> .. bụ akaraaka nwa a mụrụ ọhụụ meere onwe ya site na enyemaka chi ya tupu ọ bụrụ ihe ọ ga-abụ n'ụwa….iwepụta na igosi nwa ọhụrụ Ikenga bụ ime ka akaraaka nwa ahụ baa uru n'ọdịniihu ma dịkwa ire… bụrụkwa ike nwoke nke na-adị na akanri ya, a na-ejikwa echeta ndị nna nna anyị ha nwụrụ anwụ iji wee kwanyere ha ugwu. Nke a na-egosi na ngwa ofufe ụfọdụ bụ ngwa e ji echeta ndị Igbo larala mmụọ ma bụrụ ihe e ji echekwa akaraaka nwa ọhụrụ.

Ilọgụ (1976) na-akọwa maka osisi ọfọ, wee sị na otu ihe dịkarịrịchara omimi gbasara ọfọ bụ na ukwu osisi ya tochaa alaka ya adapụrụ onwe ya… a dịghị egbuji ya egbuji. Na Chukwu kpachara anya kee ya bụ osisi ka ọ dị nsọ. Nke a na-egosipụta ụdịdị osisi e ji emepụta ọfọ, ọfọ bụkwa ngwa ofufe dị asọ nke ọbụghị onye ọbụla ga-emetụ ha aka.

Ikedimma (2011) na-asị na "ngwa ofufe bụ Ikenga, ọfọ, nzu, ọjị na ọgụ. Ngwa ndị a bụcha nke ndị Igbo ji arịọta ihe n'aka chi ha na-efe. Na ekpesi ka e ji agụkọ ndụdụgandụ gaferla agafe. Ọ bụ osisi a tụrụ atụ, Ikenga bụ chi mmadụ ji aga n'ihu gosi na ihe ọ na-ekwu bụ eziokwu". Nkọwa a na-egosi na ngwa ndị a bụ ihe ndị Igbo ji akpọku chi ha mgbe ha chọrọ ịrịte ihe n'aka chi ha.

Ụkatụ (2014), site n'ajụjụ ọnụ a gbara ya na-akọ sị na "Ndị Igbo na-eji ngwa ofufe akpoku chi ha mgbe niile. Iji ọjị ekpere Chukwu ka o wee nye ha ogologo ndụ, ahụisike, ọmụmụ nwa, ngọzị ihe a kụrụ n'ubi, nchekwaba n'ebe ndị na-echere ha echiche ọma ma megide ndị na-echere ha echiche ọjọọ. Ma sikwa na ndị Igbo ejighị ofufe ha na-ekpemekpe ha egwu egwu. Nkọwa a na-egosi na ndụ ndị Igbo dabara na ngwa ha ji efe chi ha ofufe kwa ụbọchị ndụ ya n'elu ụwa.

Na nchịkọta ngwa ofufe bụ ka ha ra bụ ihe ndị ahụ ndị Igbo ji agwa chi ha okwu n'ụzọ ịrịọ arịrịọ maọbụ ikele ekele. Etu ndị Igbo si efe chi ha dịịrị ha mma niihi nkwenye ha na ngwa ofufe ha dị ire na-eme ka ekpere ha rụo Chukwu aka site n'ụmụ arụsị dị icheiche ha na-ezi ozi.

## Ụdị ngwa ofufe dị icheiche

i. Nzu
ii. Ọfọ na ogu
iii. Ọjị
iv. Ikenga
v. Okpesi
vi. Ọmụnkwụ
vii. Ogene
viii. Akwa ọcha, nke mmeemmee na nke ojii
ix. Akwa ọkụkọ
x. Ugbene ọkụkọ na ugo (eze nnụnụ)
xi. Ose ọjị
xii. Mgbịlịgba
xiịi. Afa

## Nkọwa Ngwa ofufe ụfọdụ ndị a ahọrọ

### Nzu

A na-esite n'ala enweta nzu. Ọ na-adị ọcha ma e gwupụta ya n'ala. Ndị Igbo nabatara ya dịka ngwa nsọ. Ọ na-egosi obi ọcha mgbe e nyere ya onye ọbịa ka ọ tụọ n'ụtụtụ n'ehihie maọbụ n'abalị dịka o siri masị dibiụlọ. A na-ebu ụzọ tụọrọ arụsị nzu tupu

e nwee ike gbusara ya ọbara anụ ọbụla o ziri ka e gbuo wee chụọrọ ya aja n'okwu ya. Dibịa afa na-atụ nzu, tee ya na nku anya na n'elu mbọ aka na ụkwụ ya tupu ha amalite ịgba afa. E nwere ike were naanị ọkpụrụkpụ nzu wee chụọ aja maọbụ wụọ n'afa.

## Ọfọ na ogu

Ọfọ bụ mkpirisi osisi si n'osisi a na-akpọ ọfọ wee pụta nke ndị Igbo ji ekpe ekpere. Ọfọ na Ogu bụ nwanne ma na ndị mmadụ na-ekwukwa sị; Eji m ọfọ maọbụ Eji kwa m ọfọ oo! Onye ji ọfọ n'ala Igbo bụ onye nọ n'ụzọ ziri ezi. Mgbe onye ji ọfọ na-ekpe ekpere, ọ ga na-akụ ya n'ala ma jiri ya na-arịọ amara maọbụ mgbaghara. E ji ọfọ edu mmadụ n'iyi. Ụmụnna nwee okwu tara akpụ ha na-edobe ọfọ n'ala n'ihu onye ọbụla tupu atụnyebe okwu ọnụ, ọnọdụ ọfọ n'ebe ahụ bụ ime ka onye ọbụla kwuo eziokwu ọ maara banyere ihe e ji maka ya nọdụ nzuko a dị mkpa. E ji ọfọ eme ka iwu e tiri sie ike. Mgbe mmadụ na-ekwu okwu were susuo ọfọ ya ọnụ, ọ na-ezipụta na ihe niile ọ na-ekwu bụ eziokwu.

## Ọjị

N'ọjị ka ekpemekpe ọdịnala Igbo hibere isi, ọ bụ isi sekpụ ntị n'ekpere niile a na-ekpe n'ala Igbo. A na-enweta ya n'osisi a na-akpọ osisi ọjị. Ọ na-amị n'ogbe nke na ogbe ọbụla na-enweta mkpụrụ osisi isii ma opeka mpe. Ndị okenye ụmụnwaanyị n'ala Igbo na-echekwa ọjị Igbo ruo mgbe nke ọhụụ ya ji apụta. E ji ọjị agọ ọfọ, kpọtuo chi kere mmadụ ma kpeere ya ka o chebe ndị nọ n'ebe ahụ na ndị ọzọga dịka ekpere siri gaa. A na-eji ọjị amalite ụbọchị na be dibiụlọ, n'ogbe na n'obodo. Mmalite mmemme ọbụla ndị Igbo nwere ọjị na-abụ ihe mbụ a na-ewepụta wee kpee ekpere ụbọchị ọma, udo na ịhụnanya.

## Ikenga

N’ala Igbo Ikenga bụ chi na-enye mmadụ ike o ji aga n’ihu ma na-akpata akụnaụba. Naanị ụmụnwoke na-enwe chi a bụ Ikenga. Ikenga bụ osisi a pịrị apị. N’oge gboo a mụọ nwa nwoke a pịara ya ikenga. Ndị Igbo kwenyere na ọ bụ n’aka ka chi ahụ na-enyeso mmadụ aka ịkpata akụnaụba ji mere ebe obibi. Aka nri bụ aka Ikenga. Ikenga a pịrị apị na-eji mma n’aka nri ya ma budokwa isi mmadụ n’akaekpe ya, mpi abụọ ahụ o nwere na-egosi ịdị ike nke ebule maọbụ ike chi ji aga ọgụ were merie onye iro ya. Mma o ji n’aka nri ya ka o ji asụ ọhịa wee na-akpata akụnaụba. A na-ele anya n’oge gboo na nwoke dị ike na-egbute isi mmadụ. Nwoke ọbụla zụtara Ikenga na-eje chọta dibịa ga-eme ka chi ahụ bụ Ikenga biri n’osisi ahụ a pịrị apị. Mgbe o mechara nke a Ikenga ga-ebido nyebere onye nwe ya aka. Ikenga na-ebutere nwoke nwe ya chi ọma na ọganiihu. Nwoke ahụ ga na-agọrọ ya ọjị kwa ụtụtụ ma na-enye ya nri na ọkụkọ ụbọchị emume ndị Igbo ọbụla. Nwoke ọbụla nwere Ikenga nwụọ, ọ bụrụ na ọ mụtara nwa nwoke, e dobere nwata ahụ Ikenga ahụ ma ọ bụrụ na ọ mụtaghị nwa nwoke a kpọwaa Ikenga ahụ ụbọchị a ga-akwa ya.

## Okpesi

A na-atụ okpesi atụ. A na-eji osisi siri ike atụ ya iji wee tụta oyiyi ndị nwụrụ anwụ. E ji ya echeta ndị nwụrụ anwụ. Ndị Igbo chọọ ịkọwara nna ha mkpa, ha agaa weta okpesi nke diịrị nna ha wee na-akọsara ya ihe na-eme na ndụ ha. Mmadụ nwere ike gaa n’afa, dibịa afa a sị ya gaa kpesara nna gị. Ọ bụ okpesi ka onye ahụ ga-aga kpesa ihe bụ mkpa ji ya. Okpesi bụ nwa tote o tokwuru niihina anaghị akpọ ya ọkụ. Onye ọbụla kpọrọ okpesi ọkụ na-eketa ya ihe dị egwu na ndụ ya. N’ala Igbo n’oge gboo onye nwụọ, nwoke ọbụla nọ na nsọ ga-azụta okpesi, gbusa ya ọkụkọ kpọọ ndị mmadụ, were kpọkue nna ya ahụ n’ihu okpesi ahụ ka ọ bịa biri n’ime ya ma soro nna nna ya ha ribe ihe n’ihu ndịichie. A

na-agba mbọ nye okpesi ihe ọ chọrọ ka o wee nye aka gboo mkpa dịnụ.

## Ọmụ nkwụ

Ọmụ nkwụ bụ n'osisi nkwụ ka e si enweta ya. Ọ sokwa n'otu ngwa ofufe baara ndị Igbo uru, n'ụdị pụrụ iche. Ọ bụ igu nkwụ nke ka dị ọhụụ n'agbasighi ike dịka nke ewu na-ata. E nwere ọtụtụ ihe e ji ọmụ nkwụ eme n'ofufe ndị Igbo dịka:

i. Ndị dibịa na-achụ aja bụ ọmụ nkwụ ka ha na-eji akpa ụgbọ aja ha. Onye ga-achụ aja ahụ wee gaa dosa ya n'ebe dibịa afe gwara ya.
ii. A na-eke ya gburugburu okwu arusị.
iii. Mmọnwụ bụ oke mmaọnwụ na-eke ọmụ nkwụ n'ụkwụ nke na-eme ka onye ọbụla na-eze ya na ọ bụ ajọ mmọnwụ. Ndị obere mmọnwụ na-azọ onwe ha ozigbo ha hụrụ ụdị mmọnwụ a n'ama obodo.
iv. A na-eke ọmụ nkwụ n'elu osisi mmadụ dara n'elu ya, ime ka ndị na-aga n'ebe ahụ mata ihe merenụ.
v. E buru ozu, a na-eke ọmụ nkwụ n'ihu na n'azụ ụgbọala ahụ bu ozu.
vi. A na-etinye ọmụ nkwụ n'ala a na-azọ azọ.
vii. E tinye ọmụ nkwụ n'etiti ụzọ, ọ na-egosi na olulu dị n'ụzọ ahụ

## Ogene

Ezemụọ na-ejikarị ogene akpọku ndị mmụọ na ndị egede na-ahụtara ya ihe o ji aza Ezemmụọ. Mmadụ bịa be dibịa ka ọ gbara ya afa, dibịa ahụ ga-eburu ụzọ chịrị ugili wụsa n'ala, werezie ogene kụọ iji kpọkuo ndị mmụọ ha na-efe were gwa ya na ha abịala na o nwere onye bịara ka ha mere ya ihe. A na-akụ ogene mgbe ụfọdụ n'Ọmambara ma a chọọ ibupta arụsị n'ezi.

## Akwa Ọcha, akwaa mmeemee na akwa ojii

Akwa ọcha, akwa mmeemmee na akwa ojii na-adịkarị n'ihu okwu arụsị n'ala Igbo. Akwa ndị ahụ ka e ji achọ ya mme n'ụdị ịpụ iche e jiri mara okwu arụsị. Mgbe ụfọdụ, Ezemmụọ maọbụ Ezenwaanyị na-elekọta okwu arụsị ahụ na-eyikarị akwa ọcha maọbụ o were ha niile kwaa akwa ọ na-eyi n'ahụ. Ọtụtụ okwu arụsị na-enwekarị ngelem e ji akwa mmeemmee wee gee, e were nke ọcha kọbe ebe a na-egbusa ọbara anụ ya iji mee ka ebe ahụ na-atụ egwu ka e wee na-asọpụrụ ngwuru ahụ. Akwa ndị a niile nwere nke Ezemmụọ maọbụ Ezenwaanyị na-eji eme ihe ọbụla mgbe oge ya dapụtara.

## Ose Ọjị

Ose ọjị bụ ogbe mkpụrụ akụkụ ubi nke na-epukarị n'ọhịa mana a na-ahụ ya n'ezinuulọ ụfọdụ. Ebe ọbụla o puru a hapụzịa ya, o wee mịba mkpụrụ. A na-enweta ya n'osisi a na-akpọ osisi ose ọjị. Mgbe a gbawara mkpụrụ ya n'ime ya a na-nweta kịrịkịrị mkpụrụ ga-abụ mmadụ taa ya o kpoo ya ose n'ọnụ wee gbadaa n'akpịrị. Kama na ụfụ ose ya adịghị anote aka. Ose ọjị bụ otu n'ime ngwa ofufe ndị Igbo ejighị egwu egwu niihi mkpa ọ dị n'ekpemekpe ha. Onye Igbo ọbụla nụrụ ara nne ya nke ọma anaghị ekwe ka ose ọjị kọọ n'obi ya, kwa ụtụtụ ọbụla dibiụlọ na-ewere ose ọjị nke a na-agbawabeghị agbawa, wefee ya n'azụ were tụwaa ya, gbapụta mkpụrụ ya anọ maọbụ asaa were jụchaa ahụ ya jụchapụ ihe ọjọọ niile na ụchụ nwoke na ụchụ nwaanyị wụpụ na mbara ezi tupu ọ malite ịgọ ọjị ụtụtụ. E ji ose ọjị ekwupụta ihe mmadụ chọrọ na ndụ ya maọbụ ka o siri chọọ ka ụbọchị ya dị. Nwoke ọbụla bụ onye zuru ezu na nwoke na-abụ o teta ụra ụtụtụ tupu ọ pụọ ezi, o buru ụzọ gbachara ose ọjị asaa kpunye n'ọnụ were jee n'ụzọ be ya, ebe ọ ga-esi pụọ ezi were sị, "ose anaghị eje ije ihere," ka o kwuchara nke a, o wee bụsachaa ya n'ezi ebe ahụ were malite njem ya. Ọzọ bụ na a chụchaa aja a chịrị ose ọjị wụnye n'ime ya

ka o wee dị ike niihina ndị Ọmambara kwenyere na ose ọjị anaghị ajụ ihe oyi. Ndị Igbo na-ejikwa ose ọjị emebi ọtụtụ ajọ ọgwụ site n'itinye ya n'ọnụ wee bụọ n'ọgwụ ahụ.

**Afa**

Ọ bụ mkpụrụ ugili ka e ji aga ya. A na-eji eriri agakọ ha ọnụ, wee jikọta mkpụrụ ube ọsa na mkpụrụ ugili ọnụ. Mkpụrụ afa ndị Igbo ka ha ji amata mkpa dịịrị mmadụ. Ọrụ mkpụrụ afa na-egosi eziokwu niihina ndị Igbo kwenyere na ọ bụ eziokwu ka e ji agba afa. Mkpụrụ afa ka e ji achọpụta agbụrụ ezighị ezi maka mmadụ ịga lụọ nwaanyị maọbụ ịga ka a lụọ ya di n'ebe ahụ.

Onye na-agba afa na-adị achịli ya elu na-awụsa ya n'ala. Ugboro ugboro wee na-ajụ ase n'aka ndịichie. Onye na-agba afa ka ọ dịịrị ịgwa onye bịara na nke ya ụzọ ọ ga-esi were nweta ihe ọ na-achọ. Ọtụtụ oge anaghị aghọtacha ihe onye na-agba afa na-ekwu kama ọ dịghị mkpa ijuba ajụjụ niihina ọbụghị mmadụ nkịtị ka ọ na-ekwusara okwu mgbe ọ na-agba afa.

**Usoro e si eji ngwa ndị a họọrọ were eme ofufe n'ala Igbo**

i. **Nzu**

Onye wetara nzu
Wetara ndụ
Nzu na-egosi obi ọcha
Eke tụrụ nzu
Oye tụrụ nzu
Afọ tụrụ nzu
Nkwọ tụrụ nzu
Onye bịa aka n'ala
Ya biri ndụ oo
Anyị niile ga-adị (ọ tụọ nzu n'aka anọ na-ezipụta ahịa naanọ Igbo)

ii. **Ofọ na Ogu**

(a) **Ọfọ**

Ọ bụrụ na ihe m na-ekwu,
Na aka m dị ọcha
Ọfọ a jide onye ahụ
Anaghị m emegbu mmadụ
Mana onye ọbụla megburu m
Ya were ala zere mmiri
(ọ sụọ ọfọ n'ala ebe ahụ)

(b) **Ogu**

Mgbe mmadụ chọrọ ichisara mmadụ nchisa, ihe onye nke ya mere ya. O jidere ogu n'aka wee kwuo sị,
Gwa nwanne gị nwaanyị
Ka o si n'ala m pụọ
Gwa ya ka ọ hapụrụ m ala m.
E nweghị m onye ga-ekwuru m
Ike ọgụ nwoke maọbụ ọgụ nwaanyị adịghị m
Naanị chi m ga-alụrụ m ọgụ
(Ogu o ji n'aka wee gaa ichisa nchisa ahụ na-egosi nchisa nke ikpeazụ, ọ na-enye onye ahụ maka okwu diịrị ya na ya)

iii. **Ọjị**

Chukwu abịama, lee ọjị n'ihu anyị
Ndụ nwoke, ndụ nwaanyị
Onye nyere mmadụ ọjị ji ịhụnaanya
Anyị ga-adịnụ ooo
Chiokike taa ọjị a n'ogbe
Ka anyị wee taa ya n'ibe
Osisi hụrụ anyị atụ nkwe
Ifufe buru ya tufuo
Egbe bere ugo bere

Nke si ibe ya ebela
Nku kwaa ya ooo
Ndụ ndụ nụ
Nka nka nụ ooo
(Mgbe ọ na-agọ ọjị ndị nọ nso, a sa ya Iseee!)
Ikenga
E jeela m lọta n’udo
Daalụ na nchekwaba gị
Aga m egburu gị nnekwu ọkụkọ chara acha
Dịka m siri kwee gị na nkwa
Nara ya rie
Ma chedokwa mụ
Chedokwa ezinuụlọ m niile
Daalụ

iv. **Ogene**

Dibịa kụọ ogene o wee họgharịa, gbagoo gbadaa wee sị;
Chi m bịa nụ oo
Agwụ m na-ejere ozi bịa
Arọbinagụ m bịa
Ichie ukwu, Ichie nta bịanụ oo
Ezumezu arụụsị niile bịazuo nụ
Ndị mmiri niile bịanụ oo
Ndị otu akara ụwa m zuo nụ
Ezumezu mmụọ bụ ezigbo mmụọ bịa
(ọ bụ ka a ga-esi mee ka ọ dị mma ka ọ bịara)

v. **Mgbịlịmgba**

Mgbịligba bụ ngwa ofufe nke ndị ụzụ na-akpụ. E nwere ebe a na-ejide aka na mkpụrụ dị n’ime ya nke na-ada gịrịịm gịrịịm ma a kụọ ya. Oke dibịa na-aga ọrụ oge ọbụla a na-akụ ya iji mee ka ndị ofeke chaa n’ụzọ. Mgbe ụfọdụ ha na-ege ọrụ mmiri n’abalị, dibịa

na-eji ya, na-akụ ya ka mmadụ maọbụ mmụọ ọbụla nọ n’ụzọ chaa niihina e nwere nkwenye na mgbịlịmgba amaghị ihe bụ egwu kama ka onye ọbụla nọchiri ụzọ chaa niihina ọbụghị obele mmadụ na-aga n’oge ahụ. Ha na-ejikarị ya aga ọrụ anwansị (ọgbanje) na mmiri.

Mgbe ahụ e ruru na mmili kwadochaa ihe a chọrọ ime, dibịa amalite sị,

Ndị mmiri ekele m unu
Ogene ekelee gị oo
Kelee arụsị nwe mmiri
Kelee ezumezu nwe mmiri
Onye bịara nụ (ọ kpọọ aha ya)
I kwara ibu mmiri n’isi ya
Ka ndị mmiri nyedebe ya nsogbu
Ka o mee akara ụwa ya
Ya mere anyị na-ekwu ya
Ka ọ gazue n’anya unu bụ mmụọ
Etu anyị siri kwuo ya ka o ga-adị
N’aha Chukwu bi n’elu

vi. **Afa**

Kedụ ihe m ga-eme ka o
Wee dị mma?
Kedụ ebe mmiri siri baa
N’opi ụgbọgụrụ?
Gịnị mere?
Onye metara?
Gịnị ka a ga-eji gbochie ya?
Kpọpụta biko ihe a ga-eji medaa ha obi.
Ya eme nke a nsogbu e dere jụụ?

## Nzipụta ngwa ofufe dị n’agụmagụ ụfọdụ ndị a họọrọ

**'N' *Obidiya*'** nke Enyinna Akoma dere n'afọ 1977, ndị University Press bipụtara, Lagos, Nigeria.

Ọnụma: Anụla m, nye m mmanya ọkụ n'iko, (o weta mmanya nye ya) (were aka nri tụpụ mmanya jụwa ogu). Eke nwe ala, Eke nwe ọhịa Amodi di ike, anaghị ahụ gị mpụ. Gịnị bu gị bịa ije a? (Onuma akwusi naa ntị) Ọ bụrụ na ịbịara ije ọma were nwayọ bịa rie ọramọnụ a dị gị n'iru. Mee ka e si eme. Bịa ngwangwa. E tufula oge, I risịa nri gị were nwayọ laa (Ọ kwụsị kwa lee anya) bịa, bịa, eze nwoke bịa. etufula mgbe. Lee aka m abụọ dị ọcha. Echebeghị m echiche ọjọọ n'ebe mmadụ ibe m nọ. Agabeghị m aja, ma ọ bụ (sic) gwọọ nsị iji wepụ ndụ mmadụ ibe m, bịa were nwayọ laa laa ebe ị bi. 20-21

Akakaka: … Ị ga-ebu ụzọ kwụa ego ịgba aja, naịra atọ.

Obidiya: Aja ọ pụọla na kọbọ iri asaa? 46

Akakaka: … weta otu ọkụkọ ọcha.

Akakaka: Na mbe. Mbe nwaalịịga. Mmanya mbụ na mmanya abụọ (o chee echiche) Na egbe. 47

Obidiya: Agbara, ọ bụrụ na unu emechimaa kpamkpam ezi na ụlọ (sic) onye ahụ ziri ndị mmadụ ka ha gbuo di m, unu were akụ ya niile, ma ga-eji kwa mgbụdụ akwa na ewu kelee unu

Akakaka: O zuole. Ndeewo (Ọ dọbie olu ọkụkọ, tụpụ lawa). 48

**Na *Mmụọ Dara Olulu*** nke Ifeka Ogochukwu dere 2012 ndị bipụtara ya bụ Hybrid Publishers, Nigeria.

Ndị ahụ bịara n'arụsị ebutechaala ihe ha ga-ebunye arụsị dota he n'etiti ụlọ. Ihe ndị ahụ bụ: ụkpa ji, ụkpa ede, item maị aka abụọ dị atọ, akwa abada, otu mkpi, nkọ azụ na ụkpa akpụ na ite ngụ …

ndị na-emegha arụsị, ma ndị soro ndị afa ahụ wara bịa ime ihe afa kwuru: 30

Eze arụsị ahụ were mkpụrụ ọjị abụọ na ose ọjị gaa n’okwu arụsị gọọrọ arụsị gwa ya sị,

> Nne anyị bụ Ogwugwu, anyị abịakwute gị ọzọ, ọ bụ gị na-edu ụmụ gị ka Ị nara nke ọma ma mere nwa gị nwoke ihe dị ya oke mkpa. Ihe ọ chọọrọ bụ ọmụmụ, niihi ya ka Ị nye ya nwa. Ọ dị ihe nna ya na ndị ochie matara nke Ị ji jụ inye ya nwa ka I lee ya anya ebere wee nye ya ka ọghara ị dịka osisi tozuru oke ma ọ mịghị mkpụrụ. Osisi dị otu ahụ, a na-egbutu ya niihina ọ bụ ọkụkọ gbara afọ ma ọ tụghị ite ofe” … o were otu ọjị dota n’okwu arụsị waa ọjị nke ọzọ, were ire ọjị tụpụ n’ebe ahụ … tanye iko mmanya mbụ ọ wụsa ya n’okwu mmụọ ahụ, tara ọzọ mee otu ahụ tupu ọ tara nke atọ nụọ.
>
> O were otu ọjị welie ya elu kwuo sị “Olisa kere ụwa, ndị mmụọ ukwu na ndị mmụọ nta, Anyanwụ na Agbara, Onye ọbụla were nke ọ na-eri. Ihe anyị na-arịọ unu bụ ahụike, ọmụmụ na ụba. Anyị na-ekwu sị, Egbe bere Ugo bere. 32.

**N’*Omenụkọ*** nke Pita Nwana dere n’afọ 1963 nke ndị Longman Ibadan, Nigeria.

Otu nwoke aha ya bụ Ụba wee were ọkwa nzu gọwa ọfọ sị, “Ala taa ọjị, nna anyị Mgbọrọgwụ taa ọjị, Ọbasị bi n’elu taa ọjị mmụọ na-emere anyị ihe taa ọjị. Onye si na nke m ekwesịghị m. o nweta

nke ya, ọ gaghị ekwesị ya Anọkwa m na-egbe bere ugo bere, nke si ibe ya ebela nku kwapụ ya”. 28.

Onyeisi ala wee si Igwe, “Gee nti ihe Ị ga-agwa Omenụkọ, si ya weta otu oke ehi, akwa ọkụkọ asatọ, otu oke ọkụkọ na ji ukwu asatọ na ji nta asatọ… ọ bụrụ na o mee ihe ndị a obi ga-adị ụmụ mmadụ na ụmụ mmụọ ọcha n’ebe ọ nọ … 60

Onye Ezemmụọ wee sị ya na ọ dị mma wee malite ịgụ ya sị; “otu nne atụrụ, otu nnekwu ọkụkọ, otu oke ọkụkọ na akwa asatọ na otu akwa ọbọcha; otu abọ ji na abọ ede, ogbe ọjị, ogbe ose ọjị, ọjị anọ, ogu nzu anọ, maị ike (sic) erughị ala, ite maị (sic) ngwọ ite maị (sie) nkwụ. Ọ bụrụ na Omenuike mee ihe ndịa ọ ga-ede mma”. 61

Onye eze mmụọ wee baa n’ime ụlọ ya were atañụ nta ya ọ na-eji akpọkọta udele pụọ n’ezi sị “Aga m amata ugbua ma obi dịkwa ụmụmmụọ ọcha’ o wee ụwa atañụ ọ na-ada “tịñọm, tịñọm, tịñọm, tịñọm, tịñọm, “tịñọm, tịñọm, tịñọm, tịñọm, tịñọm,” .. udele esikwa n’ihụ na-abịa, si n’azụ na-abịa. Iyiụwa wee gbaghachi azụ, were otu ọkụkọ gbuo ya ngwa ngwa; o birisịa ya irighiri irighiri na-atụpụrụ udele ahụ dum, ha na-eburu na-elo. 68

**N’Ọ *Chụpụrụ Onwe Ya N’Ụgbọ*** nke Ifeka Ọgọchukwu dere n’afọ 2012, ndị bipụtara ya bụ Hybrid Publishers, Onitsha, Nigeria.

Maazị Añantị gwara enyi ya nwoke gọọ ọjị niihina obi adịghị ya mma ịkpọku ndịichie n’oge a. Maazị Okoye wee gọọ ọjị sị;

Onye Okike bịa nara anyị ọjị waa.
Agwụ olulodo, mmụọ nwe anyị ọjị abịa
Anyị hụrụ idée na ọsọ
Anyị amaghị ihe na-achụ ya.
Osisi hụrụ anyị na-atụ nkwe
Ufere mabiri ya ọnụ
Anyị nọrọ n’ihu ka ihe ọjọọ nọrọ n’azụ

Anyị nọrọ n’azụ ka ihe ọjọọ nọrọ n’ihu
Ihe ọma ka anyị na-arịọ n’aka Ekere
Ala taa ọjị
Ọbasị bi n’elu taa ọjị
Mmụọ anyị ji eko bịa taa ọjị
Onye sị na nke m ekwesịghị m
Nke ya agaghị ekwesị ya
Ala anyị zọdoro ụkwụ eregbula anyị n’ọkụ
Ma ya ajụgbula anyị n’oyi
Meenụ ka onye na-akwado arụ
Ka aka bie ya n’ala
Bekee marakwa ụzọ ha siri bịa

Bukọrọ ngwa ha pụọrọ anyị
Onye ebughị ebu, ka ọ hakwa ka ọ ha
Ala Ụmụọpịa doo anyị ahụ
Mmụọ anyị kpọrọ aha na ndị akpọghị aha
Chebe anyị ooo: 12
N’ebe ngwa ofufe pụtara ihe bụ ọjị.

**‘N’*Ọkụ Ghara Ite’*** nke G.O. Onyekaọnwụ dere n’afọ 1988 nke ndị Inselberg, Enugu, Nigeria.

Ụkpaabị: Ọ dị mma, ka m gọọnụ ọjị
Ihe anyị na-ahụghị anya nara ọjị taa
Ala Amaebunu nara anyị ọjị taa
Ogwugwu Ikoriko Amaebunu nara anyị ọjị taa
Amadiọha na Oduuga, gbaanụ zuzugbe
Ngu onye ji eko ya akwalahụla ya
Ọ bụ akụ na ụba (sic) ka anyị na-achọ o
Ụzọ abụla ụzọ a ga-esi nweta ya
Bịanụ zaa anyị oku o

Ka anyị egbe dị nri na
Nke na-adghị nri wee natagodu o
Ndị ogu mmadụ o
Ọ bụ a chụpụchagodu ufu, e wee
Tawa nwa ọkụkọ ụta o
Ibe anyị ndụ nu o
Na ndụ mụ onwe m na-agọ ọjị o
Ahakwa m ka m ji o: (29-30)

**'N'*Ọchụ Nwaọkụkọ Nwe Ada'*** nke Ifeka Ọgọchukwu dere n'afọ 2015 nke ndị bipụtara ya bụ New Gate Publishers.
Nwoke ahụ aha ya bụ Okonkwoatụ ma aha otutu ya bụ "Nwatagbuoọdado" gaa wee chịpụta ihe niile o ji agba afa, wụsa ha n'ala. O were nzu tụọ wee gwa ha sị;

> Weta ego afa nke bụ ego ise, ọjị ugo abụọ,
> egbenu ọkụkọ ọcha na otu ogbe Oseọjị. 62
> Olee otu unu siri bịa, ma unu ejighị ọjị ugo?
> Unu ga-ekwu na unu amaghị na a na-eji ọjị
> ugo were agba afa? 63
> Ọ jụọ ha sị afa m agaghị añụ mmanya? 65

Okonkwọatụ jide egbenu ahụ, kenye ya eriri n'ụkwụ ya abụọ wee hapụ ya n'akụkụ ụlọ ahụ. O welie ikoriko mbekwu, kụọ ya kpọm kpọm kpọm we dota ya. O welie ogene elu, kụọ ya gom gom gom we dota n'akụkụ ya… ọ chịrị ekpili afa ya wụọ n'ala, lekwa ya anya zii, wee chịrị ya wụọ ọzọ, lekwaa ya anya. O were ogene kụọ gom gom gom were kwuo sị; ọ kata turu, o turu mgbakwụ, Ee bịa taa ọjị, nna anyị taa ọjị, Okeke taa ọjị, Ọkafọ taa ọjị, Okoye taa ọjị ma Okonkwo taa ọjị. Ihe gbara ha gharịị, ka ha bịara ịjụta. Bịanụ kọọrọ ha. Gwa ha ihe omimi" o were otu ọjị gbọwaa ya wee wụọ n'ala. Ibe ọjị abụọ chee ihu n'elu, n'ebe ibe atọ ndị ọzọ chere ihu n'ala… were okorịkọ mbe ahụ kụọ kpọkiri

kpokiri ma were ogene kụọ ọzọ, chịrị ekpili wụọ n’ala. Chịrịkwa isi ekpiri ahụ wụọ n’ala wee jiri olu ike kwuo sị, “Unu emenyela m ihere n’ihu ọ bụ na onye na-akpụ isi amaghị akpụ, ka ọ bụ na mma agụba o ji akpụ isi ahụ adịghị nkọ? …. Ụbọchị, ga-adị mma niihina ije unu bịara ga-enwe isi”. 67

> Ha luchie nwaanyị ahụ, ha abịa wee kelee ogwugwu. Ha ga-eji ebulu, ụkpa ji, mmanya ite aka abụọ, egbenu ọcha, ụkpa akpụ e kpere ekpe, ite ngụ azụ nkọ, ngwugwu ọjị, oseọjị na … 73

> Biko geenụ ntị, ka unu nụụ ihe niile a gwara anyị na anyị ga-eji gaa n’ogwugwu. Ha bụ ihe ndịa: otu ebulu buru ibu, ụkpa ji, ite mmanya aka abụọ, egbenu ọcha, ụkpa akpụ e kpere-ekpere, ite ngụ, azụ nkọ ga-eju nkata, ngwugwu ọjị na ose ọjị na otu akwa abada. 93

Onyekwere welite ọjị n’aka, chee ya n’elu wee kwuo sị;

> Chi kere mmadụ, kee ụwa na eluigwe wee mee mmadụ isi ihe o kere eke n’ụwa, anyị ekele gị. ndị ichie ukwu na ndị ichie nta, ọjị abịala! Anyị kwuru ka unu taa ya n’otu ma anyị taa n’ibe n’ibe: 107

## Mgbanwe batara na ngwa ofufe ndị Igbo

Mgbanwe hiwere isi n’ọbiabịa ekpemekpe ndị ụka, ebe ha siri ndị Igbo ka ha jụ ngwa ofufe ha n’ụzọ ha si efe chi ha bidozie were nke ha n’ozuzu oke.

Achebe (1958) na-ekwu si, “Mgbe ndị ọcha n’abiabeghị n’ala anyị, omenaala anyị na etu anyị si efe chi anyị dịịrị anyị mma. Anyị wee biri n’udo. Mana ugbu a ha bịara, ha ekewa ala anyị site n’ihe jikọtara anyị ọnụ n’ime onwe anyị ka anyị hapụ chi anyị na-efe sobe chi nke ha, buteere anyị, ọgbaghara na adịghị n’otu n’etiti anyị. Otu anye n’akwkwọ Achebe ahụ a kpọrọ ‘Things Fall Apart’ jụrụ onye ọcha na-akatọ ofufe ndị be anyị sị, ọ bụrụ na anyị ahapụ chi anyị na-efe sobe chi unu na-efe, kedụzị onye ga-echekwaba anyị ma ọ bụrụ na iwe chi anyị adakwasị anyị?

Onye ọcha wee saa ya sị; “Chi ahụ unu na-efe abụghị chi dị ndụ, na ọ dịghị ihe ọbụla ọ pụrụ ime unu. Chi ahụ bụ naanị osisi a pịrị apị“ Ndị Igbo nọ n’oge a, Achebe (1958) dere agụmagụ so na ndị mere ndị ọcha ji wee banye ala Igbo ime wee kpudo ofufe anyị ihu n’ala. Kpọkọọ ngwa ofufe anyị dị icheiche laa na be ha dokwaa ya.

Mgbe ndị Igbo chere na ụka bụ out, ka ndị ọcha kpopụtara ndị nkuzi ofufe ha wee na-akuziri ndị Igbo usoro ofufe ha bụ ndị Bekee ji efe chi ha. Ka ndị nwere uche bụ ndị Igbo leziri anya na ngwa ha, ha wee chọpụta na-enwere ngwa ofufe ha na-arụ ihe nke ndị Igbo na-arụrụ ha ma ha asị na nke ndị Igbo abụghị ya. Anyị ga-eleba anya n’ọtụtụ ngwa ofufe ndị Bekee wetaara ndị Igbo ha ji eme emume ofufe ha;

## Nzu

Ngwa ofufe ndị ụka nochiri anya nzu bụ mmanụ nsọ, ha na-ete n’egedege ihu ha n’ụtụtụ ọbụla tupu ha apụọ n’ụlọ ha. Ọzọ, ndị ụka nwekwara chaplet nke ha ji agudoro chi ha kwa ụtụtụ ọbụla n’okwu ha na n’ụlọụka maọbụ okwu nke onwe ha,nke ha na-ewube n’otu akụkụ ụlọ ha ebe ha na-anọ ekpere chi ha n’oge niile n’ụlọ ha n’otu n’out dịka dibiụlọ na ezinuụlọ ya na-esi eme ya n’ụdị ọdịnaala.

**Ọfọ na ogu**

Ndị ụka ji Baịbụl were dochie anya ọfọ na ogu. Ha na-eji Baịbụl anụ iyi iji chọpụta eziokwu n'etiti ha. Ọzọkwa, a bịa n'ụlọikpe a na-eji Baịbụl edu ndị ụka n'iyi na "ihe ọbụla ha ga-ekwu n'ụlọikpe ahụ aghaghị ịbụ eziokwu naanị eziokwu. Chineke nyere ha aka".

**Ọjị**

E nwere ndị na-agọ ọjị ma ha adịghị ọtụtụ maọbụ ọ naghị abụrịị ihe dibiụlọ aghaghị ime n'ụtụtụ iji kpee ekpere n'isi ndị ezinuụlọ ya. Ha na-ejizi nke a kpọrọ Biskit. Ha na-ekpezị n'aha Jisụs n'abụghịzị n'aha ndịichie. Yabụ nke ndị ụka nwabekee wetaara ndị Igbo n'oge a, anyị nọ n'ime ya.

**Ikenga na okpesi**

Ndị a bụ osisi a pịrị apị ma n'oge a anaghị egozi osisi apị nkwụ ndị a kama ndị bekee na-eji rọba apịzị ya wee nye ha aha dịka; Imejis a na-esekpuru ha dịka a na-eme n'oge gboo. Relics bụ iberibe ihe ndị nsọ ochie nwere nke e chere na ike dị n'ime ha. Mkpoku ha na-akpoku ndị nso ochie na-arịọ ha arịrịọ nke a na-akpọzị Invokeshọn nke sent n'oge a. ngwa ndị a niile jupụtara n'ụka ndị Rom zitere maọbụ sataara anyị n'ala Igbo. E nwere ndị e ji ụrọ bekee were akpụ n'ụdị oyiyi dị icheiche dịka ha si akuziri ndị Igbo n'oge a.

**Ogene na mgbịlịmgba**

Ọtụtụ ndị ụka na-ejirịrị ngwa ndị a akpọku chi ha nọ niihi egwu dị icheiche na-akpokọba ma na-agba n'ụlọ ụka dị icheiche. E nwere nke na-apụta ihe mgbe a na-akwado iri oriri nsọ n'ụlọ ụka, a na-akụ mgbịrịmgba na efegharị udu anwụrụ n'ime okwu (alta) iji kwado oriri nsọ ha dịka e ji ya emekwa n'oge gboo.

**Ọmụ nkwụ**

Ihe e ji nọchie anya ọmụ nkwụ n'ihu alta oge a bụ nke a na-akpọ "alta rail" e ji ya egbochi onye abụghị onye nchụaja ịgafe ebe achọghị ka o ruo nso. Ọ dị n'ọtụtụ ụlọụka n'oge a.

**Ekpili**

Ihe nọchiri anya bụkwa nlke a kpọrọ bandị mana ụfọdụ ka na-eji ekpili were akụpụta nkwa ha ji efe chi n'ụlọ dịka ndị yutu na-eme n'oge a.

**Ose ọjị**

Nke a bụ ngwa e ji egbochi ụchụ dịka a na-ejizi mmiri na mmanụ nsọ eme ya n'oge a. N'ofufe nru onye isi nchụaja na-ejizi ngwa ndị a na-eme ire mgbe a na-aga onyinye izu n'ụlọụka ụfọdụ.

**Oji**

Ọjị ka ezemmụọ na-asụ n'ala, ọ na-ama jiji na-akụpụta mkpọtụ mgbịlịmgba e kedoro n'aha ya. Ndị ezemmụọ ndịụka a na-akpọ bishọp na-ejikwa oji nke a ezipụta etu ike ha maọbụ ugwu na nsọpụrụ nye ha.

**Afa**

N'oge a, a na-agọzi n'afa ndị bekee a kpọrọ "lab teest" iji chọpụta ihe na-eme onye, nke mere na e sitere na ya chọpụtasịa na ọgbanje bụ "sịkụl cel" na nwata nwụrụ anwụ bụ ụdị ọbara ọ bu bịa ụwa gburu ya n'abụghị nke ndị gboo na-akpọ "ọgbanje". A na-esitekwa n'ụdị afa a chọpụta di na nwunye ekwesịghị ka ha lụọ onwe ha ka e wee gbochie oke ọnwụ nke nwata a na-akpọbu "ọgbanje" e nwere chọpụta na nwoke maọbụ nwaanyị ndị gara teest a agaghị amụnwu nwa n'ụdị ọbụla nke nwere ike gbochie alụmdi ahụ niihi afa a gbara n'ụzọ dị otu a.

## Ntụle ofufe na ngwa e ji ezipụta ha n’oge gboo na nke oge ugbua

A ga-eleba isiokwu a anya site n’itule ọkpụrụkpụ okwu ndị a:

i. Idozi esemookwu
ii. Akwamoozu
iii. Alụmdi
iv. ịnụ iyi
v. ịgba ndụ

## Idozi esemookwu

N’oge gboo a na-edozi esemookwu dị n’etiti mmadụ abụọ maọbụ karịa site n’ikpọpụta ha n’ahụ ụmụnna wee gwa ha na ihe ha na-eme ezighị ezi ka ha wee biwekwa ka ha si ebi n’udo. A na-ewepụta ọfọ na ogu wee mee udo ga-atọ atọ, etu a ka o dị n’oge a ha na-eji Baịbụl maọbụ chaplet wee, mee udo n’etiti mmadụ na ibe ya n’ụlọ ụka.

## Akwamoozu

N’oge gboo; akwamoozu na-adị n’ụdị n’ụdị. Ọ bụghị etu e si kwaa onye eze, onye diọkpara ka e si akwa ofeke. N’ụdị ọnọdụ onye nọ n’ụwa ka akwammozu ya na-esi adị. Ọtụtụ ndị chiri echichi n’ụdị ọbụla na-ewe ezinuụlọ ha ọtụtụ ego iji kwado maọbụ mee mmemme akwamoozu ya. A na-akwa onye nze, a na-egbu ebule tunye ya ọbara ebule n’anya ma n’ọnụ ndị otu ya e sie ebule ahụ rie ya n’akwamoozu ahụ mana n’oge a, a na-ete ụfọdụ ozu onye chiri echichi na chọọchị dịka Naịtị mmanụ nsọ n’egedege ihu ya, kaa ụka oriri nsọ ndị otu ya bụ ndị ụka a nọrọ ebe ahụ kete oke n’oriri ahụ e ji maka ha wee kwado. A na-akwadoro onye nwụrụ anwụ ọnọdụ, tinye akwa ya, n’okpu ọzọ ya na ihe ndị ọzọ e chere na o kwesịrị iji wee bido ndụ n’ala mmụọ

n'igbe ozu tupu e lie ya. N'otu aka ahụ, a na-eyinye onye Naịịt na Ndị Nchụaja akwa e jiri mara ha wee kwado ha n'ụla n'ala mmụọ

**Alụmdi**

N'oge gboo a na-eji akụ gbara mkpị ejikọ di na nwunye wee gọọrọ ha ọfọ ibikọ n'otu wee ruo mgbe ọnwụ ga-ekewa ha abụọ. Ma n'oge a na-ejizi mgbaaka nke onye ọbụla n'ime ndị gbara akwụkwọ na-agbaba ibe ha ka ha wee jikọta onwe ha n'enweghị mgbasa wee ruo n'ọnwụ.

**Ịñụ iyi**

Ndị Igbo na-ejikarị ọfọ were anụ iyi ebe onye ọbụla kwenyere na ọfọ aghaghị igbu onye mejọrọ ala maọbụ onye ọjọọ mebiri iyi ọ ñụrụ. Ebe ụfọdụ ndị ụka na anụ Babụl, site n'ịkpọ otu onye maara agụ ihe ka ọ gụọọrọ ha "Ọlụ ndị ozi isi nke ise" ebe ahụ Ananias na Saphira nwụrụ niihina ha kwuru okwu asị. Ọzọ bụ na ọ bụrụkwa n'ụlọikpe a na-añụkwa Baịbụl, kọran, Ogun dika nkwenye nke onye ahụ siri dị. Echiche ọbụla dịka ichi ọzọ diọkpa maọbụ iba mmanwụ, a na-añụ iyi mmadụ ịkwa ire ya nga ma bụrụ onye a ga-amata ka onye na-ekwu eziokwu. Etu a ka ọ dị mgbe a na-echi ndị ụkọchukwu, ndị nne na ndị Naịịt e nwegasịrị iyi ha aghaghị ịñụ n'ụlọụka mgbe a na-eme emume echichi ha. Ha niile na-akwụpụta n'ihu alta maọbụ okwu arụsị onyeisi nchuaja o wee duo ha n'iyi.

**Ịgba ndụ**

Ngwa e ji agba ndụ n'oge gboo abụghịzị ya ka e ji agba ndụ n'oge a mana ha niile ka bụrụkwa otu ihe ka ha na-ezipụta yabụ ịgba ndụ. Ọ bụrụ na onye ọ dị n'aka ịgbandụ bebesịa ihe ọ na-eme ihe ọzọ a ga-eme bụ isi orikọ dịka ọ dị n'oge gboo. N'oge ahụ ha niile ga-aga n'ihu arụsị obodo wee mee nke a. Orikọ a na-

emezị n'oge a nwere ike ịbụ n'ezinuụlọ otu onye n'ime ha maọbụ ebe ọbụla ha kwekọrịtara ịnọ wee mee nrikọ ọnụ ahụ.

**Nzipụta Nchọpụta na Nchikọta**.

i. A chọpụtara na ngwa ofufe ndị a bụ ekpere ka e ji ha ekpe mgbe a na-achụ aja, akpụ arụ maọbụ na-ekpe ikpe siri ike.
ii. A chọpụtara na osisi ọfọ pụrụ iche n'ụdị ya, makana o tochaa kaa nke ọma alaka ya na-adapụrụ onwe ya. Adịghị egbuji alaka ya egbuji.
iii. A chọpụtara na ndị Igbo ji okpesi agụkọ ndụdụgandụ ha gaferela agafe nke na osisi a tụrụ atụ na-anọchi anya ndị nwụrụ anwụ.
iv. A chọpụtara na ọjị bụ ahụghị ebule ma si elighị dike n'ofufe ndị Igbo niile.
v. A chọpụtara na obi adịghị ndị Igbo ụfọdụ mma niihi ngwa ofufe ndị ụka napụrụ ha ma butere ha ngwa ofufe nke ha, ha wee hapụzịa chi ha, na-efe chi ndị ụka ha amaghị maka ya. Niihi usoro na asụsụ ha ji efe ya bụ chi abụghị asụsụ ndị Igbo kpọmkwem.
vi. A chọpụtara na mgbanwe e nwere n'ofufe na ngwa ofufe emeghị ka usoro ndị Ọmambara si efe chi ha nyụọ pịị, na-arụsị ọbụla dị n'obi ha nwere onye na-akpanye ya nri mgbe o kwesịrị.
vii. A chọpụtara na e nwere ilu so ọfọ na ogu, ndị Igbo na-atụrụ onwe ha, n'ụdị ijidere mmadụ ọfọ maọbụ ịkwụrụ n'eziokwu.
viii. A chọpụtara na onye ọbịa e nyeghị ọjị maọbụ nzu ga-amata na a nabataghị ọbịbịa ya ma ncha nke mere na ọ gaghị abịazị maọbụ ọ nọrọ ebe ahụ jụta onye ọ nọ be ya ihe na-esere ha.
ix. A chọpụtara na ọmụ nkwụ bara nnukwu uru n'ala Igbo dịka ngwa ofufe. Na ebe ọbụla a hụrụ ọmụ nkwụ na-egosi na ihe egwu dị nso ebe ahụ maọbụ n'ebe ahụ, ka a kpachara anya.
x. A chọpụtara na ngwa ofufe ndị a lebara anya nwere nke naanị ndị dibịa na-eji emebe ọrụ ha, na e nwere nke dibiụlọ na-enwe n'obi ya wee na-eme ofufe nke ya.

xi. A chọpụtara na ngwa ofufe e ji efe ofufe n'oge gboo na nke oge ugbua na-arụ ọrụ otu ụdị ọrụ dịka
   (a) Afa bụzị Chaplet
   (b) Ikenga bụzị imejis
   (c) Ekpili bụzị relics
   (d) Mbeku ndịichie bụzị invokeshọn ndị Cent
   (e) Njigharị oji bụzị mfegharị udu anwụrụ n'elu alta.

xịị. A chọpụtara na naanị ihe dị iche na ngwa ofufe ọdịnaala Igbo na nke oge a (ndị ụka) bụ ngwa ofufe ahụ mana n'usoro e si emedo nke ọbụla n'ime ha bụ otu ụdị n'otu aka ahụ ebumnobi e ji eme ha bụkwa otu echiche.

Na nchịkọta, ngwa ofufe n'oge gboo ka bụ ihe e ji efe ofufe ọdịnaala n'oge a n'uju. Ọtụtụ n'ime ha bụzị naanị na be dibịa maọbụ na be onye na-agọ mmụọ ka a na-ahụzị ha nihina ihe karịrị ọkara ndị Igbo anaghị ekpezi ekpemekpe ọdịnaala. A naghị ahụkarịzị ya (ngwa ofufe) na ezinuụlọ n'obi dibiụlọ. N'oge ahụ dibiụlọ na-eji ụdị ofufe a ejikọta ezinuụlọ ọnụ ma na-ezipụta onwe ya dịka onye nchekwe nke ụlọ ya. N'oge a ụfọdụ na-ahapụ ndị ụlọ ha gaba n'ụlọụka iji kpee ekpere ụtụtụ nke onyeisi nchụaja na-ekpe n'ụlọụka n'amaghị na ọ bụ dibiụlọ bụ onye nchụaja na be ya. Ụfọdụ ahapụrụ nwunye ya na ụmụaka, a na-ekpere onwe ha ekpere niihina nkuzi ekpemekpe ha kwadoro onye na isi ya.

**Alo**

Odee na-atụ alo ka dibiụlọ mara ọrụ diịrị ya dịka onyenchụaja ezinuụlọ ya, na-eme ya n'ụdị abụla ụdị ma ọ na-ekpe nke omenaala maọbụ nke nwabekee ka ihe wee na-aga etu o kwesịrị n'ezinuụlọ. Ọrụ ndị niile nwere ngwa ofufe nke gboo bụrụ na ha achọghịzị iji ya na-efe ofufe ha kpọkọrọ ya kpọta na Mahadum Chukwuemeka Ọdumegwu Ojukwu dị n'Anambra Steet ka e were ya na-akuziri ụmụakwụkwọ ihe banyere ngwa ofufe ka ha mara nke bụ nke.

Anyị ahụlanụ ka ndị bekee siri napụ anyị ngwa ofufe anyị wee were nke ha kpojuo anyị aka ebe ha maara na ngwa ofufe ha anaghị

anụ asụsụ anyị. Ụfọdụ ka mmụọ nọ n'ime ha na-anụ naanị bekee, Latin maọbụ Grik mana ha ncha nọ na be anyị na-ele ka ewu a kpọrọ ọkụ. Onye anwụla ibe ya efula. Ndeewonụ.

**Edemsibịa**

Achebe . C (1958). *Things fall apart*, London; Heineman

Akoma, E. (1977). *Obidiya*: Lagos; University Press

Basden C.T (1966). *Niger Ibos*, London ; Franke Case

Ekwealọ C.C (1999). *Omenala na ewumewu* Ndị Igbo; Nkpor; Mass Founder

Ifeka, O (2012). *Ọ chụpụrụ onwe ya n'ụgbọ*, Onitsha; Hybrid Publishers

Ifeka, O. (2012). *Mmụọ dara olulu*: Onitsha; Hybrid Publishers

Ifeka, O. (2015). *Ọchụ nwaọkụkọ*: Onitsha; New Gate Publishers

Ifemesịa C.(1980). *Traditional human living among the Igbos* An Historical perspective, Enugu: Fourth Dimension

Ilogu, E.C . (1976).*Christianity and Igbo culture,* Ibadan ; Nok P

Mbiti J.S. (1969) *African religion and philosophy*; London; Heineman

Onyeso, O.C. (2000) *The cradle of Igbo culture and civilization*, Onitsha; Tabansi

Ọgbalụ, J.C (1979): *Omenala Igbo*, Onitsha; University Press

Ọgbalụ, F.C (1981). *Ndụ ndị Igbo*,Onitsha ;University Publishhers

Nwana, P. (1963). *Omenụkọ*: Ibadan, Longman

Onyekaonwu G.O (1988). *Oku ghara ite*: Enugu, Inselberg

*Ogochukwu Roseline Ifeka is an associate professor in the Department of Linguistics/Igbo Language, Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu University, Anambra State.*